# Mmepe

IMEBI IWU

| | | |
|---|---|---|
| **Ihe Achoro: Onodi Ulo Mkporo Di Mma**<br>*Onweghi mgbe ulo mkporo Naijiria jirir buru maka nghazi ndu ndi nke aturu mkporo.* | **Otu nkeji na tinkom asato** | **12** |
| **Onodi Nzuko Omumu Ihe Ekpu ghepula Umu Usuro Iwu Ndi Ahu Naijiria Jiri Kwado Iti Nwayi Ihe**<br>*Ndi oru uwe ojii enweghi ike ikechi ogi ime ulo megidere umuntakiri na ndi ndiom.* | **Nkeji ato na tinkom iri na abuo** | **7** |

MMUTA

| | | |
|---|---|---|
| **Niger Republic Na Cho Uzo Inabata Umu Akwukwo Ndi Nke Si N'ulo Akwukwo Daapu N'usoro Mmuta**<br>*Otu obodo nime odida anyanwu Africa ji oso egbochi Nseelita isi ndi akpu obi.* | **Nkeji ato na tinkom iri na asato** | **6** |
| **Enweela Ubara Onu Ulo N'etiti Mba Uwa Maka Ndi Ntorobia Na Agbogbobia**<br>*Otutu obodo n'etiti mba uwa enweela umu ubara onu ulo obibi maka umu aka na enweghi nne na nna.* | **Iri Tinkom abuo na isii** | **12** |

UME OKU

| | | |
|---|---|---|
| **Ezi N'ulo Ji Okwe Oka Ibe Imu Ume Oku Na Naijiria**<br>*Otutu ume oku Naijiria laara n'isi nri ha na mmiri oku* | **Otu nkeji iri Tinkom ise na ato** | **3** |

ERIMERI

| | | |
|---|---|---|
| **Nsogbu Na Ogbaghara Inweta Erimeri Riri Elu N'owuwa Anyanwu Afrika**<br>*Obodo iri na ise n'ime Afrika gbaara puku afo abuo ebe nde umu mmadu ahughi nri ha ga eri.* | **Nkeji ano na Tinkom iri na asaa.** | **4** |

USORO AHU IKE

| | | |
|---|---|---|
| **Afo Puku Abuo Nwere Ike Iweeta Na Mmechi Oria Mkponwu Ahu Umuntakiri**<br>*Agha mgbasa ozi afo iri na abuo nke otu U.N. malitere n'etiti uwa nile nwere ike imita mkpuru oma.* | **Nkeji abuo, iri Tinkom ano na abuo** | **3** |
| **Nchuputa Ohuu Na Egosi Ihe Iyi Egwu Ebe Akwukwo Utaba No**<br>*Otutu ume oku Naijiria laara n'isi nri ha na mmiri oku Ubara onwu osis site na inu anwuru ga adi ukwu n'imu afo odi n'ihu.* | **Nkeji ato, iri Tinkom ato na asato** | **8** |
| **Otu U.N. Ekwuela N'oria Mmikpo Na Eyi Egwu Okwu Udo N'etiti Ime Afrika**<br>*Oria mmikpo bu ihe iyi egwu nyere isi ochici mba Afrika nile.* | **Nkeji ano na iri Tinkom ato** | **8** |

IGWE NZIRITA OZI

| | | |
|---|---|---|
| **Ihe Ngosi Egwuregwu Abuo Nke Afrika Bu Nke Nwere Nkwado Otu Ntukwasi Obi Ngwa Lere BanyereGburugburu Eritaala Nturu-Ugo Puru Iche**<br>*Umu ihe di egwu bu nnukwu nsogbu n'ime Afrika ka egosiri n'ihe nrita egwuregwu a.* | **Nkeji abuo na iri Tinkom asaa.** | **4** |

# Gburu-Gburu

ORU UGBO

| | | |
|---|---|---|
| **Otu Ime Obodo Na Ghana Agbasorola Iji Umu Ihe Idi Rere-Ure Aru Oru N'usoro Oru Ugbo**<br>*Ime obodo kwusiri igba ala oku oge oru ugbo akwaliteela nri ala na owuwe ihe ubi karia ogbo ha.* | **Nkeji ise na iri Tinkom ato na ano.** | **5** |

NCHE-KWA

**United Kingdom Ama Wuputala Nde US Dolla Iri Ato Na Ano Maka Oku Azu N'etiti Afrika** — **Nkeji abuo na iri Tinko abuo na asaa.** — **4**
*Britain azoola ukwu mbu ileeba anya nghebe oghe aku azi n'etiti Afrika.*

**Obodo Ndi N'etiti Uwa Kachasinu Metute Na Oke Ala Osimiri** — **Iri Tinkom abuo na ano** — **12**
*Nkeji uwa ato n'etiti uwa kachasi metute oke ala osimiri.*

SU OHIA

**Onodi Akwukwo Ataba N'isu Ohia Ohu** — **Otu nkeji na Tinkom asaa** — **11**
*Ndi na emeputawa anwuru ekwenye ugbua n'umu ebubo na ha na esu ohia oku tinyere umu ajo oria ndi nke ha na ebuwe*

**China Machiri Isu Ohia Ma Nabata Ubara Mbubata Osisi Eji Aru Ulo** — **Iri Tinkom abuo na ise** — **11**
*Ana asu ohia ndi agbata obi oku maka imejuputa mbubata osisi eji aru ulo na China*

**Enwere Ebe Ka Unwu Ala Kachasinu N'etiti Uwa** — **Iri Tinkom abuo na abuo** — **11**
*Ihe kariri obodo asato ha ka Naijiria ga adaba nime obodo kachasi nwe unwu ala.*

ISU OHIA

**Onu Na Ekwuchitere Otu Green Peace Elebaala ANYA N'oru Osisi Eji Aru Ulo** — **Otu nkeji na otu Tinkom.** — **12**
*Greenpeace Co-founder wuru mgbala nwere ike na enweta okpuru-kpu onu ego mana ojighi eze ochi aga ulo oba ego.*

NJEM NLEGHARI ANYA

**Ikpachapuru Oku Umu Nnunu Anya** — **Otu nkeji iri Tinkom ano na asaa.** — **11**
*Kedu usoro bu igba aga eji akwadoulo oru mbo umu nnunu?*

## *Ngalaba Umu Natakiri*

**Anyinyiya Ibu Na Enyi Mmiriji** — **Nkeji ano na Tinkom iri na ano** — **9**
*Anya ukwu Anyinya ibu n'ibo ubo Enyi Mmiri*

**Kedu Ihe Dassie (Rock Hyrax Ejighi Nwe Odu** — **Nkeji ato, iri Tinkom ise na ise** — **10**
*Ume ida mba, nupu isi mere Dassie ejighi nweta ngozi n'aka eze*

**Onu Ogu Nche-Kwa Imebi Chi Ekere Uwa** — **Iri Tinkom ato na ise** — **10**
*Ezi n'ulo nke etiti uwa ha nwere ike ibi na udo ha na chi ekere uwa nile?*

**Kedu Anumanu Kachasi N'iyi Egwu** — **Otu nkeji na iri Tinkom ato na ise** — **10**

# Akuko

**Ezi N'ulo Ji Okwe Oka Ibe Imu Ume Oku Na Naijiria** **Otu nkeji, iri Tinkom ise na ato.**

Ezi n'ulo n'etiti ogbe ndi mepere emepe na Naijiria na ewerechaa ume oku ndi nke emeputara n'ala anyi. Ogbea na ewere ume oku usoro omenala dika Nku, na uzo ano n'ime usoro ume oku ahia mgbere bu manu ala. O na ahu kwa maka ato n'uzo ano manu oku n'ala anyi.

Dika ihe omimi akwukwo nchoputa ebiputara siri kwue malitere n'ime afo 1992, 1995 na 1997, amuru ihe kariri nkeji iri oku latric n'umu anwuru. Nchoputa a gosiri na ume oku ndia lara na isi nri na mmiri oku.

Nsogbu nke nsiputa manu ala n'onu ahia ya meetutere ezi n'ulo mepere emepe n'ala anyi karia nsogbu nke umu ugbo ala na ndi njem na enwe wa. Otutu ume oku ndia na esiwe na ezi nchekwa manu nke otu nime ha bu manu ala.

Ezi nchekwa manu ariala ugboro iri ka mgbe afo 1970s ebe ndi ezi n'ulo ndi nke kachasi eji ya aru oru di ubara na percentage ya.

Ubara onu ogugu, mmepe obodo, umu ulo oru mbo, na aku n'uba tinyere ubara mmepe ime obodo so kwu nye aka ubara imu oku.

Dika ndi oru nyocha nke Mahadum nta n'uzu Ladoke Akiritola Naijiria, ubara ezi n'ulo ime nchekwa manu a bu ezi onodu mmepe aku n'uba. Mana onyebeghi aka ibelata aka imu nku n'etiti ogbe ndi mepere emepe. Nkea sitere na nnyepu umu manu ezi n'ulo dika manu oku, umu anwuru na unyi ka kwu chim na enweghi nkowa.

*Boiling Point.*

**Afo Puku Abuo Nwere Ike Iweta Na Mmechi Oria Mkponwu Ahu** **Nkeji abuo, iri Tinkom ano na -abuo.**

Nkea bu nnukwu onu n'etiti otu United Nations n'ime afo , ka ha na akwado igosiputa otu okpuru-kpu oria mkponwu ahu enwere mmeri ya. Mgbasa ozi a malitere n'ime afo 1998, bu nke eleere anya ikpochapu nime afo puku abou, bu nzo ukwu ikpe azu na oge aturu anya. Onu ogugu oria mkponwu ahu belatara nke ukwu site na nari puku ato na iri ise n'ime afo 1998 wee gbadata puku ise na nari ano.

"Anyi no na akuko ihe okpu ikwupute ihe nturu ugo, mkpochapu oria mkponwu ahu, oria gburu otutu umu natakiri nde kwuru nde: nu ozi oma Gro Harlen Bruindttand ji okwa Director General usoro ahu ike nke etiti mba uwa n'ime onwa January. [WHO].

Nwa ada Bruntland na Carol Bellamy bu ndi ji okwa Executive Director otu United Nations Children Fund [UNICEF] edee gaarala ndi isi iri obodo ato nke mba Afrika ya na Asia Akwukwo igwa ha ebe enwere ike ichota oria a. Ayoro ndi isi ochichi igba mbo ma weputa okara ngwa usoro ogbugba umu ogwu mgbochi, ubochi ogbugba ogwua tinyere ezi nkwekorita n'etiti ebe enwere nghotahie.

Nwa ada Bellamy mere ka amata nso nso a na New York, na ebe enwere otu nwata bu oria mkponwu ahu, na nwata obula no na nsogbu ibu oria.

Amuma mkpochapu oria mkponwu ahu a, nime afo Puku abuo na abuo bu nzube otu oru ahu ike nke etiti mba uwa [WHO] otu UNICEF na Rotary Internation. India na akwado iri percent asa ufodi umu oria a foro afo n'etiti mba uwa. Mbo ikpochapu oria a n'afo puku abuo gbadoro ukwu na mbo eji aka ugbua ikpochapu ya nime India.

Dokita Brundtland kwuru na agbam onya Final Push for Polio n'isi obodo India nke nwere onu ogugu nari mmadu ato zukoro nu nke gunyere ndi nnochite anya si Afrika ya na South Asia n'ime afo puku abuo bu oge enyere mkpochapu oria mkponwu ahu - Anyi nwere ohere imeri oria a kpam kpam.

Ka mgbe mgbe agbam onya amuma mkpochapu a malitere n'ime afo 1988, onu ogugu oria belatara nke ukwu. Onu ogugu umuaka n'etititi uwa bu oria mkponwu ahu a na ogbe di iche iche belatara site na iri percent itoolu wee rue okara ya. Ebe ekpochapula oria na mba Amerika, Europe, Western Pecific, otutu na Middle East tinyere United Nations, Northern na Southern Afrika.

**United Kingdom Amawaputala Nde Us Dolla Iri Ato Na Ano Maka Oku Azu N'etiti Afrika**

**Nkeji abuo na iri Tinkom abou na assa.**

Mba United Kingdom nwere ike n'ime usoro ohuu nche-kwa nsogbu okwu aku n'uba nke oku azu na akpu afo n'ala n'etiti Africa. Nso nso a ka o mawaputara nde US Dolla iri ato na ano n'amuma nkwado ndi oku azu nde ise daara mgbenye n'etitit obodo Afrika iri abuo na ano bu ndi ukpa ji aka nke ukwu. Amuma a ka ekwuru erughi ogoo aturu anya n'usoro mgbasa ozi nke otu mba nche-kwa etiti uwa kwekoritara maka oku azu. Nkea butere ndi isi ocha imegide ndi isi oji nke Afrika n'usoror oku azu na osi mmiri ya.

Ndi otu nchekwa nke etiti mba uwa , elebaghariala anya na nkwekorita ohuu nke nzuko Lome bu nke ga ewepu usoro enyem aka banyere ndi oru oku azu, belata kwue udidi ugbo oku azu ma meegharia oru nta n'uzu agba ohuu nke ga enyere umu ubu eji egbu azu ikpa-koro umu ihe nile nke di n'ime oke osimiri. Usoro onodi nkwekorita ahuu a ga enye aka nlekota anya ihu na agbasoro ihe ekwekoritara, ha na ikwu ndi isi ojii nke Afrika ezi ugwo maka iku azu na osimiri ya.

Onu ego nde US Dolla iri ato na ano mba Britain mawaputara akporo Sustainable Fisheries Livelihoods Programme [SFL] ga enye aka ebe nde mmadu ise bu ndi oku azu no n'etiti ime obodo ndi ezi oru nka iku azu. Amuma a ga enye aka nkwado usoro nile di iche iche eji eche-kwa azu na imebe ya tinyere ndi nke a na atu mgbere. O ga enye kwa aka obodo nile nke so na ya imata nsogbu ezi nkaa oru iku azu bu. Ndia a gunyere oke igba nzama, mmebi usoro iku azu, imebi chi ekere uwa, mmeru, mkpafu, nleghara anya ha na iku wa umu azu ndi nke na abughi ndi obodo ndia ga eketa oke n'aka oru SLF:- Angola, Benin, Burkina Faso, Cameroun, Cape Verde, Chad, Congo, Cote d'Ivoire, Democratic Republic of Congo, Equatorial Guinea, Gabon, Gambia Ghana, Guinea Bissau, Liberia, Mali, Mauritania, Niger, Nigeria, Sao Tome and Principe, Senegal, Sierra-Leone na Togo.

O bu ndi otua F.A.O ga achikota oru, ha na ndi United Kingdom na Departmenta of Internationa Development [DFID] tinyere obodo Africa ndi nke aka ha no n'ime ya.

*FAO / Obasi Ogbonnaya.*

**Ihe Ngosi Egwuregwu Abuo Nke Bu Nke Nwere Nkwado Otu Ntukwasi Obi Ngwa Lere Banyere Gburu-Gburu Eritaala Nturugo Puru Iche**

**Nkeji abou na Tinkom asaa .**

"The cow jumped over the moon" ha na "When Good Men Do Nothing" bu egwuregwu abuo gbara okpurukpu maka Afrika bu ihe iyi egwu nke agba nari iri afo abuo [20th Century] bu nke ndi ngwa-lere banyere gburu-gburu kwadoro ritere nturu ugo puru iche n'abali booro puku afo abou ohuru. Otu n'ime ha bu "The Cow Jumped Over The Moon ritere nturu ugo Prix de I'innovation na ogbe Toulon International Film Festival for Maritime and Exploration Films. Onye chikotara ya bu Chris Walker, nkea gosiri ndi Fulani na chi ehi eme Njem, na agbanyeghi ahuhu nke ha gabigara maka icho ebe ehi ha ga ata nri. Nkea gosiri mbo ichoo erimeri siri di nnukwu uko na iweghide usoro omenala ha. Mana enyem aka biara mgbe ha atughi anya igosiputa etu ihe ngosi egwuregwu oru nta n'uzu siri chee-kwa usoro omenala na gburu-gburu.

Ebe mbu egosiri The Cow Jumped Over the Moon, bu na ogbe Margaret Mead Film and Video Festival nke di na New York Aghoputala ya maka ihe ngosi nke abuo akporo When Good Men Do Nothing ritere nturu ugo n'ime afo 1999 n'udi puru iche gosiri International Investigation Reporting. O bu ndi oru nta akuko akporo International Constrium of Investigative Journalist [ICI) nyere nturu ugo a na Europe. O bu Steve Brashaw na Mike Robinson chikotara egwuregwu ihe ngosia, leebara anya na ogbugbu nke egburu otu nde Tutsis na Rwanda n'ime afo iri gara aga n'ime nari afo abuo. Ihe ngosi a bu ajuju:- Kedu ihe merenu ndi isi ocha enweghi ike igboch nkea: Ndi nnukwu oka ikpe nke nyere nturu ugo a kwuru, ka egosi umu akwukwo nile n'etiti mba uwa igosi etu ujo okwu ndoro-ndoro siri weeghachi azu ogbugbu egburu umu mmadu n'etiti ime obodo nke uwa.

*OneWorld Org.*

## *Ihe Ehuru Mara*

**Nsogbu Na Ogba-Aghara Nweeta Erimeri Riri Elu N'owuwa Anyanwu Afrika**

**Nkeji ano na tinkom iri na asaa**

Ihe dika obodo iri na ise n'ime Afrika chere aka ghoro uko aguu iji wee banye n'afo ohuu. Obodo ndia gunyere Angola, Burundi, Democratic Republic of Congo, Republic of Congo Eritrea, Etheopia, Guinea-Bissau, Kenya, Liberia, Rwanda, Sierra Leone, Somalia, Sudan, Tanzania ya na Uganda, ha nile ka na alu agha ogu nwanne na nwanne no na aga n'ihu. Nchikota ogu nwanne na nwanne tinyere unwu ala nke metutere owuwe ihe ubi obodo nile a.

Na amam okwa banyere onodi nsogbu na Sudan, otu FAO putara United Nations Food and Agricultural Organisation kwuru nso nso a na agha na unwu ala kewapuru nde mmadu abuo inweta nri enyem aka ebe onwu maka aguu amalitela ikpotunu.

Unwu na Ogbaghara napuru otutu ezi na ulo ji oru ugbo wee kporo mkpa. Nsogbu a mebiri usoro oru ugbo na ndi nile nke kwesiri inyere aka. Oke nsogbu nke agha a bu belatara nkesa umu erimeri enyem aka ebe akuko banyere onwu ndi mmadu site na aguu ka ana enweta .

Mazi Mwita Rukandema bu onye isi oru aku n'uba mere ka amata na obu otu FAO's Global Information and Early Warning Service kwadoro umu akwukwo a. Nchikota okwu unwu, agha nwanne na nwanne ndi mmadu igba oso ndu na echekwaghi umu nje mkpuru akuku ubi mere mba Somalia jiri noro n'uko nri.

Na mgbe owuwa anyanwu nke Africa, enweghi mmiri ozuzo Uganda, Tanzania ya na Ethiopia, mere otutu jiri noro na nri enyem aka. Na Eritrea Okara nde mmadu agha ya na Ethiopia bupuru no ugbua n'uko nsogbu erimeri, ebe mba Sudan agbanyeghi olile anya, nde mmadu abuo di nke no na ndida anyanwu tukwasiri obi na nri oso enyem aka maka agha ka no aga n'ihu.

Akuko anyi nwetere na ekwu na odo mmiri nke Central Eastern Afrika ka nwere nsogbu uko nri n'ihi agha nke no na akpotu n'etiti ogbe ime obodo. Na iji wee ma atu, nsogbu uko erimeri siri ike na Burundi n'ihi agha selitere isi nke bu otutu ndi mmadu igba oso ndu. Nkea mere otu nde mmadu no n'ulo ize ndu enwetaghi enyem aka erimei si etiti mba uwa.

Onodu ulo izee ndu ndia jooro njo nke ukwu, enweghi ezi mmiri onunu na ebe iga mpochi. Eburu amuma na onodi uko nri a ga adi njo n'umu onwa di n'ihu.

Na mba Democratic Republic of Congo, ozi na ekwu na nsogbu agha, a hapuru iri nde mmadu ihu ihe ha riri, ebe ndi agbata obi ya bu Republic of Congo bu agha nke ha akwusila oru ugbo na azuma ahia. O bu ezi okwu na Rwanda nwere ubara erimeri na owuwe ihe ubi nke afo a, ma ha na acho uzo izu nari puku mmaduitolu gbalatara oso ndu. Na mba Angola ya na Madagascar inweta nri siri ike n'ihi agha na igurube. Ebe ndi ozo na ndida anyanwu Afrika tinyere odida anyanwu Afrika inweta erimeri ditu mfe dika FAO nke odida anyanwu Afrika siri kwue Sahelian region enwela otutu ihe owuwe ubi n'etiti obodo ndi ozo na agbanyeghi nkechi umu erimeri nke etiti Gambia, Senegal, Mauritonia, Mali, Niger ya na Chad. Nani mba Guinea Bissau, Liberia ya na Sierra-Leone ka ana enwe nsogbu uko erimeri n'ihi agha ha.

Ma otu osila di, ihe na aga nke oma na mba Sierra-Leone tumadi mba Liberia bu ebe emeputara umu ogbara ohuru igwe oru ubi na enye aka nkoputa erimeri.
*FAO*

**Otu Ime Obodo Na Ghana Agbasorola Iji Umu Ihe Ndi Ree-Ure Aru Oru N'usoro Oro Ugbo Nkeji ise, iri Tinkom ato na ano**

Kwa afo, ohia ana agbawa oku, na emebi ihe na umu osisi na mpaghara ato nke mgbago ugwu na mba Ghana. Mana otu ime obodo akporo Nwodua di mile iri site na mpaghara isi obodo Tamale, ohia ya adighi agba oku n'ihi ya, okwuru ka oka ibe dika omuma atu ezi gburu-gburu.

Ka mgbe afo itolu adibeghi ihe dika oku ogbugba n'ohia a na Nwodua. Nkea bu onu mirir okwu Issahuku Abubaka Sadiq gbara iri afo ano na otu. Imuru n'aka onye nkuzi ya ka mgbe afo 1988 banyere ajo ihe igba ohia oku na ebute n'ebe ala, osisi na umu ihe, ndi mmadu anabatabeghi igba ohia oku agbanyeghi emume bu igba oku nke ana emerewa na mpaghara a.

Kwa afo akpachapuru anya amunye ohia oku iji nabata oge okuko oru ugbo amalitela. Na elezighi anya, Omebiela umu ihe nke ulo oru oku ogbugba chikotara ruru otu ijeri cedies n'ime afo 1997 [about US$350,000]. Na mpaghara ato ogbe mgbago ugwua, oku ogbugba mgbe nile ebelatala ala idi n'uju ha na enwetaghi ihe di mma na owuwe ihe ubi. Nke a meere otutu ndi oru ugbo jiri kwenye na nza.

Mana Issahaku kwenyere na onwere ihe di iche n'usoro owuwe ihe oru ubi ka mgbe ndi ime obodo ya jiri kwusi igba ohia oku; ihapu ya ka chi ekere uwa jiri aka ya zuchire ya. Ochetere mgbe igba ohia oku bu usoro omenala, mana oru ugbo bu ihe ikikere eze. Mgbe o bula m lechara anya ihu onodi ala ndi a n'anya nyere ndi ime obodo aka. Ala na akpo nku ma kue ume oku. Ona esi ike okuko tinyere oke ifufe n' ala ozize na aja elu ocha na apuwa bu ihe na akwado wa ndu ume ihe akuku ubi.

Ma ugbua ahapuru umu osisi ikwuru etinyehi ohia oku oge okochi, ala ozize ebelatala nke oma, butere ubara mu akwukwo iree-ure n'ala. Kwa afo ala ana eruwanye.

Site na etu akuru si eme onweghi onye ga ekwu na ala adighi n' uju ya.

Na Nwodua onweghi onye na eji nri akuku ubi ako nri. Ha na atukwasi obi na chi ekere uwa site na iseepu aka na igba ohia oku. Ana eti ghachi azu umu ihe ndi kwesirinu mgbe oge oru ruru. Ana awufu umu akwukwo nri na nsi umu anumanu n'ala.

Ndi oru ugbo na agbasoro usoro eche- kwa ha na mbugari-kwa onodi iku mkpuru.

Ka mgbe 1992, anyi adighi emefu nwa obere ego anyi nwere izubata ntu nri ala, nihi ya anyi nwere onu ego zuru oke ikoo ugbo.

Nkea meere otutu umuntorobia anyi jiri loogachi azu n'oru ugbo, oso igba jee Tamale ma o bu Accra ichoo onodi oru adighi adi kwusiri.

Otu onye oru ugbo aha ya bu Paul Alhasan kwuru na o bu ezi e na otu a na enweta akpa iri wee rue akpa iri na abuo eresi, ozubeghi akpa iri abuo ana enweta wa n'ime afo 1970.

Tupu afo 1992, ihe ana enwetawa pere mpe nke mere m jiri choo idaa mba.

Ihe zo nke na ebu isi na Nwodua bu oru ogugu umu osisi nke di ubara ma na abawa nye na imita umu osisi dika Heanuts, dawa dawa, abia n'umu mkpuru osisi, inweta Cashew, Guava, Mango, Paw Paw. Ndo ozo vu neem na acacia.

Site na enyem aka nke otu United Nations Development Programme UNDP's, Afrika 2000 Enviroment Improvement Programme. Nwodua nwere ubara nzulite umu akuku ubi nke ufodi ime obodo na amuru maka izulite nke ha.

Alhassan kwuru na o bu umu osisi ndia ha kuru gbara ha ume ka ha ghara igba ohia ndia oku , ebe osisi ndia ka buru ihe ana gbaa oku.

N'ime afo 1993, Oru ngo oke ohia Nwodua ritere Kumbungu district award maka orudi ebube nkwalite oru ugbo bu nke ndi ulo oru Ministry oru ugbo na erimeri nyere.

Afo ozo ya oritara nturu ugo mpaghara Agro-Forestry Project, n'ime afo 1997 ha nwetere nturu ugo kachasi ibe ya n'aka ndi otu National Bushfire Prevention Campaign afo gara aga.

Ezi onu ugbo eji umu ihe chi ekere uwa, na emezi ahu mumu aka, ubara onu ego n'isi ndi ime obodo enweghi nsogbu ugwo akwukwo.

Onu agum onu isi kwu na nari isii, iri asaa na ise. Nwodua nwere ike itu onu ulo akwukwo Primari, Secondiri ha na ebe ozuzu oru nka ikpucha osisi, oru iru ulo na oru udi nyere umu akwukwo di nari ato na asoto.
Ihe a bu ime obodo ekwesiri inomi.

*Edward Ameyibor.*

**Niger Republic Na Choo Uzo Inabata Umu Akwukwo Ndi Nke Si N'ulo Akwukwo Daapu N'usoro Mmuta**

**Nkeji ato na Tinkom iri na asato**

Kedu ka iga esi awagide nsogbu umuntorobia ndi nke si n'ulo akwukwo daapu na enweghi ike ichota onodu ha n'etiti oha na eze, n'etiti gburu-gburu, n'usoro onodu ezi n'ulo ma o bu ogbe ebe ndi mmepere emepe? Na Niger, umuntorobia ndia na esonye n'onu ogugu ndi anam acho oru n'etiti ogbe ndi mmepere emepe. Ihere ekweghi ha looghachi azu n'ime obodo ha si wee puta. Ndi nke na alooghachighi azu enweghi ezi aka oru.

Nne na Nna choputara n'umu akwukwo ndi nke na adaapu n'usoro mmuta osisi n'ime ndu ha, na odighi ihe ikpughachi azu n'etiti igwe mmadu ha na onodi ezi n'ulo nke na ebute ida mba izijee umu aka n'ulo akwukwo. Niza oku nsogbu a , ulo oru mmuta, na French NGO, Aide et Action na atuputa amuma oru ngo akporo "Educational Companions" nke mbu n'uche ya bu umu aka ime obodo gbara afo iri na ise wee rue iri afo abuo na ise nwere ozuzu mmuta.

Umuntorobia ghoro “Educational Companion” nwere ntu ala mmuta ebe enyere ha ozuzu a onye nkuzi umuakwukwo. Na otu aka ahu, ha na amara ozuzu n’umu obere oru ichu nta oku. Onye obula n’ime ha na aghoro ihe nke ochoro imee ma inwe kwa nwa obere enyem aka onu ego maka imalite oku ya. Ha nwere ike izu umu ngwa oru, Engine ugbo mmiri ma obu igwe eji akwa akwa.

Na ntughari kata aka maka enyem aka ha, bu ozuzu umu ndi “Educational Companions n’ime ulo akwukwo primari nke uhuruchi. Nkea na enyere ha aka iru oru enyere ha, nghota na imita ezi mkpuru oma n’usoro muta.

Ka anwaleera nkea, enwetere mkpuru oma maka nkea. Enwe kwara ezi mbuli elu n’usoro agum akwukwo nke umu ntotorobia bu ndi nke ndi oru nkuzi a kuziri nke oma.

N’etiti ufodi ome obodo bu ebe amalitere nkea, mkpuru oma ya, na mgbe ulee bu otu nari percent. Nke a buli kwara elu usoro onodi aka oru ndi nkuzi ha, onu nkaa ohuru ha, ha na inosi ike na ezi n’ulo ha n’etiti gburu-gburu ha karia igbajee ime obodo ndi mmepe-emepe.

Oru ngo a, gosiputara mkpa n’uru obara nne na nna ikwado usoro muta tumadi imita mkpuru oma nyere onye obula - Education For All [EFA].

Hamissou Onumarou, onye nchikota aka oru National EFA 2000 nke ulo oru muta Niger Repulic kwuru na nne na nna no n’ime obodo ji obi ocha anabata muta bu nke dooro ha anya na oburu na nwa ha ahapu ulo akwukwo, ha ga abara igwe mmadu uru n’ime obodo. Site n’ichoputa uru nkea nke bara, eleere anya igbasa na mpaghara obula no n’ime obodo amuma a.

*Africa News Online.*

**Onodi Nzuko Ihe Omumu Ekpu-Ghapula Umu Usoro Usoro Iwu Ndi Ahu Naijiria Jiri Kwadooro Iti Nwayi Ihe** **Nkeji ato na Tinkom iri na abuo**

Imegide ndiom n’onodi ezi n’ulo abughi ida iwu na Naijiria. O bu aka ochie n’onodi ndi oru uwe ojii chiburu Lagos Steeti bu Sunday Aghedo kwuputara nke a n’onodi nzuko omumu ihe leebara anya n’onodi nsogbu mmegide nke ezi n’ulo na Naijiria” Otara umu nke oge ugbu uta gbara nkiti na anabataghi nke a. O nwere mkpesa ndi otu omebe iwu adighi ike, mere ndi oru uwe ojii enweghi ike ikwu okwu ma o bu keechi mmadu maka nke a.

Obu otu nwere onwe akporo Project Alert on Violence Against Women kwadoro onodi a site na enyem aka otu United Nations Fund for Women [UNIFEM] mere ka amata nkea site na ikpobata ndi oru nta akuko, ndi oru uwe oji na otu nwere onwe njikota aka onu na mgbasa ozi meghidere onodi ezi n’ulo na Naijiria. Na okwu ya n’onodi a hiwerre isi na Lagos, Mazi Sunday Aghedo ji ohere a were rutugasia aka n’umu ohere usoro ida iwu na ntarama ahuhu usoro iwu aghotara nabatara mmenye ihere nke nwanyi. O kwuru na mmeghari usoro iwu abuo a ga enye ndi oru uwe ojii ikikere iwagide ikpe ikpe mmegide n’onodi ezi n’ulo.

Ntarama ahuhu ngalaba iri ise na ise akara nke mbu ekwughi ihe obula bu nke metuteree mmeru ahu nke si n’aka nne na nna, onye nzulite, onye nkuzi ulo akwukwo, ma o bu oga mmadu n’uzo ikuziri onye ahu ihe, odibo, nwata akwukwo ma obu onye na amu oru na erubeghi afo iri na asato.

Otu aku ka ometutere di meruru nwunye ya ahu n’uzo ikuziri ya ihe, di na nwuye ya ka aga eji usoro iwu omenala ikpe ikpe bu nke iwu nabatara.

Mazi Aghedo gba-kwu-nyere ngalaba iri ise na asato usoro iwu ntarama ahuhu nke kwuru nu na onweghi mmajo obula kwesiri ibu meru ahu, nke a di mfe na onweghi onye nke ga enwe mkpesa maka meru ahu. Ata-kwara ndi oru nta akuko uta n’ihi ebughi akuko meghide onodi ezi n’ulo etu okwesiri. Ndi oru uwe ojii nabatara na onweghi mgbe ha ji edeetu meghide onodi ezi n’ulo n’usoro akwukwo mkpesa ha.

Oriaku Regina Amadi-Njoku nke UNIFEM Gender Advisor nyere odida anyanwu Afrika na okwu nabata ya kwuru na meghide ndiom bu ida iwu, na ekwesiri ileeba ya anya tumadi ma ogba n’onodi ezi n’ulo.

Oriaku Affiah-Chkwuma ji okwa Executive Director of Project Alert na ndi nile nke biara onodi nzuko omumu ihe a leebara anya n’uzo aga eji egbochi meghide n’onodu ezi n’ulo a nke gunyere, mgbasa ozi, njikoo aka n’etiti nzisa ozi n’etiti ndi oru uwe oji, otu inwere onwe onwe na ndi oru nta akuko ha na ilebaghari anya n’umu iwu nke ikwado meghide onodi ezi n’ulo.

*Project Alert.*

## Nchoputa Ohuru Na Egosi Ihe Iyi Egwu Akwukwo Utaba No

**Nkeji ato, iri Tinkom ato na asato**

Onwu nke na esi na ise anwuru ga adi. Okpu-kpo ato n'etiti mba uwa nile n'ime iri afo n'ise odi n'ihu. Nkea bu ozi nke si n'aka American Heart Association [AHA] puta nso nso a, ana atu ujo n'otutu umu ntorobia nke mba America n'anu anwuru na United States na ari elu bu nke na eru nde mmadu ano kwa afo . Ihe dika nde mmadu ise ga anwu n'ime ise anwuru n'ime afo na abia abia. Ma etu osila di, ndi nile nke na eweputa anwuru na agba mbo iweeputa umu ihe nkowa nke ga anabata ndi naijiria imalite isee anwuru.

Otu oru ahu ike nke etiti mba uwa, na ekwu na onwu di n'etiti mba uwa nile ga adi iri nde mmadu n'ime afo 2025 riri nde mmadu ato n'ime afo 19990s.

Onye isi oche AHA bu Lynn Smaha kwuru na onye nke huru onu ogu a kwesiri idu onwe ya odu . Nani nleeta anya usoro ahu ike ndi na esee anwuru na ewee otu nari ijeri US Dolla na iri ato kwa afo na mba USA. Nkea gunyere nleeta anya ndi nne di ime seere anwuru bu nke na ebute nwata adazughi nke oma ma amuputa ya.

Otu AHA rutugasiri aka n'umu ihe ojoo bu ndi ozo nke isee anwuru na ebuwe, ndia gunyere, agaghi n'onodi onu ahu ezughi oke, ida mba orumbo, mmadu inwu mgbe oge ya ezubeghi na mmebisi umu akwara di n'ime ahu.

Otu ulo oru ahu ike n'etiti mba uwa kwuru na enwere olilee anya nyere ndi nile nke choro ikwusi ise anwuru. O ga eme mbelata inwe nsogbu nke mkpuru obi. Onye nke hapuru ya n'ime afo iri na ise agaghi enwe nsogbu mkpuru obi ma otu. Oru nyocha no ugbua aga n'ihu icho uzo aga esi akwusi umuntorobia ikwusi isee anwuru. Achoputara na ndi okenye no n'ime ya malitere mgbe ha di afo iri na asato. Nchoputa ozo nke emere na USA na egosi na oburu na abanye n'oru nkuzi igwa ha kwusi isee anwuru na eweeta. Nkea bu okwu Rick Petosa bu onye nchikota ori ikwusi umuntorobia ikwusi ise anwuru.

Ikuzirir umuntorobia ikwusi isee anwuru n'usoro igosi ha ihe aghom agaghi akwusi ha ma otu. Rick Petosa kwuru na igosi ha ihe ha kwesiri iche echiche banyere ka baara uru,. Amuma a leebara anya n'usoro itu ndu manu ha na inwe muo ikwusi ya. Oka mma igosi ha umu ihe aghom nwa obere oge. Ndi ozo no oru nyocha kwuru na nke a nwere ike ibelata ya site n'iri ato wee rue iri ise percent.

Umu nchoputa a ka ebiputara na akwukwo usoro ahu ike umu ozi nkowa si naka usoro ahu ike nke etiti mba uwa, Centre for Disease Control ha na National Health Interview Survey.
*ENN.*

## Otu U.N. Ekwueala N'oria Mmikpo Na Eyi Egwu Okwu Udo N'etiti Afrika

**Nkeji ano na iri Tinkom ato.**

Ihe gbasatara agha Afrika na akwu wa isi onodi nzuko otu United Nations Security Council mgbe obula. Mana onwebeghi mgbe otu Kansul a jiri tinye anya n'ihegbasatara oria mmikpo bu nke na ebu agha enweghi udo n'etiti nkeji uwa a.

N'ime onwa gara aga, aturu anya otu mmadu iri na ise a ikpa ububo banyere usoro ahu ike nke mbu, atu kwara anya onye osoje aka n'achi mba United States bu Al Gore itipia okpuru-kpu okwu n'onodi nzuko mana Russia na China mmadu abuo n'ime mmadu ise nnochite anya otu Kansula juru ajuju ihe ejiri bugharia usoro.

Onye nnochite anya mba U.S bu Richard Holbrooke gwara ndi oru nta akuko n'isi onodi nzuko a bu imata oru ogu oria mmikpo a kpara n'ime etiti Afrika ma choo uzo ibelata ajoo ihe iriba ama. Imalite ikowara oru nche-kwa nke ga abasa maka ibu agha karia ka ona adiwa na mbu. Agha a bu nke akowara otutu afo mgbe USA na ndi isi ocha na ewughasi umu ngwa ogu echere mgbe agha selitere isi, mana ugbu mba Soviet Union na ndi isi ocha ha kpuru afo ala.

Mazi Richard Holbroke bu onye isi oche otu Konsula n'ime onwa mbu nke afo a ji ohere a wee kpoo osoje aka na achi mba U.S.A bu Al Gore ikwu okwu banyere oria mmikpo. Osoje aka na achi mba U.S.A ga eji ohere ikwuputa ihe mba U.S.A. nwere maka oria a.

Tupu Nzuko a amalite Gore kowara ihe di nime ihea. Ekwuru n'otutu ga anwu banyere oria mmikpo nime afo iri nke otu nari afo a karia ndi nke na anwu na agha ogu. O bu na igwe Television Nation Wide ka o no kwue nke a.

Oria mmikpi egbuela usoro okwu aku n'uba, nke Afrika bu nke na ebu aka banyere mmenye ya, bu nke na anapu obodo ndia ndi kwesiri u iru ulo oru mbo ma hapu kwa iri nde umu aka enweghi nne na nna.

Nime afo 1998, agha n'etiti Afrika riri nari puku abuo ogu mmadu ma oria mmikpo kpochapuru nde mmadu abuo n'owuwa anyanwu na n'odida anyanwu ka nke a meetule karia. Ezi n'ulo ji percent ise n'etiti onuogugu uwa mpaghara nwere iri percent ise n'ime nde iri n'isii n'uma ato ndu ha gara maka oria mmikpo ka mgbe omalitere. Nkea bu U.N kwuputara.

Ndi oria mmikpo a kacha egbu bu ndi nke weelitere isi n'ochichi nke gunyere ndi oru bekee, nkea bu nzube onye nnukwu ode akwukwo Kofi Annam ka o na akwadobe onodi nzuko a.
Nje oria mmikpo a kachasi noro n'etiti ndi oru uwe oji, na ndi agha elu ala nke Afrika bu nke na egosi na ha enweghi ike iche-kwa obodo ya ma agha daa.

Mazi Kofi Anam, mere ka amata na enweghi ezi usoro onodi a ga ebu agha di egwu. Nsogbu nke ga ohere mgbasa nje ya n'etiti umu mmadu. Usoro onodi ahu ike na muta ga ada n'ala n'ihi usoro enyem aka mbughari onodu ndi mmadu ndi agha nke bu nje oria mmikpo a, ndi ozo ga kwa eso keete oke bu nke ga eme ka mgbasa ya di ubara n'isiso.

Nime onwa gaara aga, Annam kpokuru ndi nnochte anya si Afrika, otu U.N. Otu isi ochichi mgbata oso enyem aka, tinyere ndi nkiti no imepuru onye ana ara na ndi oji ego achu nta oku isee amuma aga eji ebelata mgbasa umu nje oria mmikpo a n'etiti Afrika malite na agbata afo iri na ise na iri abuo na ano tupu afo puku abuo na ise.

O kporo oku maka umu ozi na mgbasa ozi mgbochi ha na iji oso emeputa umu ogwu eji egbochi ya n'onu ego di ala nyere ndi Afrika ha na obodo ndi nke je ego nye aka ibu agha n'etiti afrika.

Mazi Kofi Annam nwere olile anya na otu nche-kwa Kansul a ga esonye ihu na eburu agha mgbasa oria mmikpo ma o bu kwusi otu U.N na ndi ozo itinye aka ibelata ya. Nkea bu onu mmiri okwu onye otu U.N bu Fred Eckhard.
*Deseretnews.*

## *Ngalaba Umuntakiri*

**Anyinya Ibu Na Enyi Nmiri** **Nkeji Tinkom ano na iri na ano**

Otutu afo gaara aga, Anyinya Ibu na Enyi Mmiri bu ezi enyi na kwa achu nta nri na otu ikpere mmiri. Otu ubochi, mmiri tara obere, Anyinya Ibu wee churu nri gafe ebu ohuru umu akwukwo ndu. tupu Enyi Mmiri isonyere n'ututu a, Anyinay Ibu jiri oso wee gafe obere mmiri a wee gaa rijue afo ya. Mgbe O loobatara n'uhuruchi , Enyi Mmiri ji iwe wee juo ya ebe o jere? Ezi enyim a gaferem mmiri wee rie ezi erimeri. Kedu ihe igaghi eji we so m echi ya? Na ezi okwu, agam eso gi bu aziza Enyi Mmiri zutere ma gafe mmiri a. Ka ha na aga, Anyinya Ibu gwara Enyi Mmiri na enwere onye nche nke na eche kwa umu akwukwo ndia kwa ututu na abali.

Ma wetue muo gi riwe nri bu nkwa Anyinya Ibu kwere ya. "A ga m na eleepu any ma eti mkpu mgbe m huru na onye nche na abia. Mgbe i nuru mkpu m, jiri oso puo n'onodi akwukwo ndu a. Enyi Mmiri keleere Anyinya Ibu maka obi oma ya, ma tajue afo tutu onu mkpu Anyinya Ibu, O were oso gbapu. O ji oso wee gbapu ebe ahu we rue ebe o zoro onwe ya.

Nkea mere echi ya na nwanne ya, tupu Enyi Mmiri achoputa na Anyinya ibu anoghi ya n'ihu ma obu na azu ka ogbapuru maka onye nche. Oteghi aka omata na eyi ya na akuru nri otu o masiri ya ga ezu oke site na ime ka Enyi Mmiri na eri nwa obere mgbe obula otiri mkpu, enweghi onye nche, ma obu Anyinya Ibu agbaghi oso, mba o na ano nani ya eriju afo.

Enyi mmiri enyeghi nsogbu we rue oge mmiri malitere izoo, osimiri wee tojue ozo.

Ugbu a Anyinya Ibu nozi n'elu ekpere mmiri n'ihi na osimiri etoola ma na achu oku, ma onweghi ike igwu mmiri. O na ataa ahu ebe agu na agu kwa ya ubochi nile umu nri nke no na ikpere mmiri, ma otokwaghi utoo etu nke mbu azuziri nke oma.

Enyi Mmiri no na ebu ibu nihi na o o na akpaju afo na ogbe ebe umu akwukwo ndu a no kwa ubochi.
"I kwesiri ilooghachi azu Anyinya Ibu lee kwa ka isi ata ahu kwa ubochi tinyere erimeri nile a di na ofe osimiri.

O bu uchem bu osisa Anyinya Ibu nyere n'osu, mana i mara na m enweghi ike igwu mmiri. Nkea abughi nsogbu, nke a bu osisa Enyi Mmiri nyere ya, i matara nke oma na ibu ezi enyim, Agam ebufe gi osimiri.

Anyinya ibu rigoro azu Enyi Mmiri, O wee bufe ya. Ihe nile gara no nke oma wee rue etiti mmiri mgbe enyi mmiri. Mgbe Enyi Mmiri tiri mkpu ebe a di ogbu, enweghim ike imeetu ala ozo. Owee mie mmiri ha na Anyinya Ibu. Enyi Mmiri no kwa na aga wee rue, ma Anyinya Ibu na enweghi ike igwu mmiri ma obu taachie ume ya ka Enyi Mmiri ka mmiri gbagburu ya. We rue kwe ubochi taa enyi Anyinya Ibu na Enyi Mmiri alooghachi azu.
*Shangari Folktales.*

**Onu Ogu Nche-Kwa Imebi Chi Ekere Uwa** **Iri Tinkom ano na asaa**
Otu uwa ka anyi ketere. Mgbe ndi mmadu noro n'izu imegide chi ekere uwa, mebie umu osisi ma obu ghebe oghe mmiri, meru ikuku oma wee rue ebe chi gbanworo, Mgbe a nsogbu nile bu ntarama ahuhu nke mmadu ga di ukwu. Ichikota umu ntarama ahuhu onu ezughi oke. Anyi kwesiri imata isi ya ma chigharia banyere oke mgbanye nwetu gburu-gburu onodi anyi tupu ebe makwara,. Nkwado omumu ihe gbasatara gburu-gburu ebe anyi bi kwesiri ibu mbu n'uche anya, nke ga eme ka ezi n'ulo obula n'etiti uwa biri na udo ha na ekere uwa ya.
*His Highness Prince Sadruddin Aga Khan (1985).*

**Kedu Ihe Dassie (Rock Hyrax Jejighi Nwe Odu** **Nkeji ato iri Tinkom ise na ise**
Nwa mgbe gara aga, tupu mmadu aputa, odum bu eze umu anumanu ma oburu nani anu kwesiri inwe odu. O bu ezi okwu nisi na ebu ya na ugwo akwunyere site na chi, ochere n'me muo ya n'umu anu ndi ozo kwesiri inwe od , ebe odu di nnukwu mkpa, ka ya bu odum ghara ibu anu gbara iche. Okpebi ime odu nke onwe ya ma keesara ndi ona achi.

Na mmalite o mere odu n'udi n'udi. Mgbe omee-chara, ogwara Adaka ka okpookoo umu anumanu ndi ozo, ka ha jiri aka ha ghoro odu onye choro. Agwara Adaka ikpooko umu anumanu nile ha be odum , ma hu na onweghi onye nke echefuru.

Adaka malitere oru akpom oku umu anumanu nile, mgbe chi na ejila ha ezukoola n'ogbe be odum. Ha dum zukoro ewepu nani nwa ume-ngwu Dassie. Owere ya na otere aka ijenu. Dassie gwaa umu enwe na agafe nu ka ha weetere ya oke ihe oma ya, ma gwa eze umu anumanu na ihere ji aka ikwu n'ihu Odum, ebe ya di ntakiri ma nwe kwa nrube isi. Ma nwe obi sie ike na ozi ya ga eru, Dassie laghachiri azu n'ogba ya irahu ura.

Okenye Odum, nyere onye obula odu nke o turu aka. Ma Odum meghariri ihe n'uzo na adabachaghi nke oma, na agbanyeghi onwa na etinu. Ya mere ubochi taa, Osa nwere odu karia ahu ya ebe anyi ala nwere obere odu na agbanyeghi etu osiri bu ibu.

Mgbe enyepuru odu nile, Odum choputara na Dassie anoghi ya. Umu anumanu ndi ozo no na ekelekorita onwe ha maka odu ha ma na atulee ya, mgbe enwe mere mkpotu wee cheta ozi Dassie ziri ya, eze umu anumanu weere oke iwe maka nupu isi oku okporo ma na otuturu nwa obere odu nye enwe ka o nye Dassie. N'ihi ihe eze choro bu ka umu anumanu nwee odu.

Mgbe ha na alaghaachi azu, enwe kpebiri igosi Dassie nwa ihe muta maka na ha chere na Dassie ekwesighi inwete ihe nrita a. ha gbakwunye nwa obere odu a na nke ohuru ha nwere. Afo juru ha maka ikpa odi agwa di otua.

Mgbe ha ruru ogbe okwute ebe Dassie bi, umu enwe gosiri umu ihe ndi nke ha nwetere site na ime njeghaari nleeri anya. Ha gwa nwa ume ngwu Dassie ihe ha mere iji kuziri ya ihe. Mgbe odi nihu Dassie kwesiri irubere eze isi abughi ino nkiti. Nwa obere Dassie nwuru n'iwe, ma na ume gwuru ya nke ukwu na onweghi ihe o ga emefu. Ya mere wee rue ubochi taa Dassie enweghi odu.
*When Hippo was Hairy.*

**Kedu Anumanu Kachasi N'iyi Egwu?** **Otu nkeji iri Tinkom ato na ise**
Osisa ajuju a ga agba-gwoju gi anya. I nwere ike ikwu si, kedu ihe m ejighi che echi maka nkea?" O bu anyi bu mmadu. Mgbe gara aga anyi amataghi etu chi ekere uwa si aru oru. Anyi chere na edoobere any ihe n;elu uwa ka anyi were ha mere k a o siri masi anyi. Anyi choputara na anyi nwere ikikere mgbanwoe, iji ruo oru na imebi. Nkea bu ihe anyi mere, ebe ufodi ndi mmadu ka norisiri akpa agwa ubochi taa. Otu onye oru nche kwa chi ekere uwa bu Gerald Durrel kowara mbibi n'elu uwa n'udi di otua.

"Uwa dika onya nwa ududo. Imetu otu ahiri ya, ndi ozo ama jiji obughi nani imetu ya aka, kama adooka ya. Lee ufodi uzo inwere ike iji wee che-kwa mmebi. Nzo ukwu mbu anyi kwesiri imuru bu ihe banyere chi ekere uwa. Omumu ga enyere anyi aka ighota. Mgba anyi ghotara anyi nwere ike ilee kota elu uwa n'umu ihe ndi bi n'ime ya anya nke gunyere anyi ndi. Onwere ike oburu anyi ruzi onya nwa ududo. Ichere na anyi nwere ike mee nkea?. Anyi kwenyere na anyi nwere ike ime nkea.
*Chongologo*

**Ikpachapuru Oku Umu Nnunu Anya** **Otu Nkeji iri Tinkom ano na asaa.**
Ebe n'etiti Afrika ka iga ahu ezi oku na oge nche-kwa umu nnunu? O bu na obere obodo ime Afrika bu Gambia. Umu ihe ndia mere ojiri buru ogige eden umu nnunu.

* Umu udi n'udi nnunu nari ise na iri ise achikotara na obere ebe di nari puku iri na ato square kilometer na ato.

* Ezi onodi ndi njem nleghari anya maka nche-kwa umu nnunu.

* Ebe ahu juru oyi na enweghi nsogbu njem gburu-gburu

* Nani obodo n'etiti odida anyanwu Afrika oge nchekwa umu nnunu nwere muo ezumike abughi njem maka nleeta

* Ebe di mfe inweta udi nnunu obula enwere n'odida anyanwu Africa

* Ima ebe i na aga maka umu nnunu. I nwere ike iga na ogbe nche-kwa Abuko na nso ohia, ma obu Tanji nnukwu umu nnunu ebe iga ahu nari udi mmadu obula n'etiti kilometer ise ma obu Tendaba Camp eji ugbo mmiri aga n'etiti mangroves na umu nnunu ndi ozo.

Mana Afrika adighi awaghide oge nche-kwa umu nnunu a nani ya, obere obodo Costa-Rica n'ime Central America nwere ugboro ise ndia Gambia nwere, ma ha nwere umu ihe ndi ozo mere ya ojiri buru ogige eden umu nnunu. O nwere ike ikwu na onwere udi umu nnunu nari asato na iri ise, ezi onodi okwu ndoro ndoro, ezi onu ala obibi tinyere ezi umu osisi. Otu onye njem kwuru na ya huru nari ano umu nnnu na iri isii n'ime izu uka ato.
*AfricaBrirds and Biring.*

**Ebe Nwere Unwu Ala Kachasinu N'etiti Uwa** **Iri Tinkom abuo na abuo.**
Sahara Desert kachasi nwee unwu ala n'etiti uwa nile, onwere puku nde asato sq km unwu ala ma ka no na etoonu. Onu ogu a achikota onu, umu unwu ala nile nke etiti uwa nwere kariri ugboro ugboro asato obosara ala obodo anyi bu Naijiria.
*Arbovitae.*

**China Machiri Oru Isu Ohia, Ma Nabata Ubara Mbubata Osisi Eji Aru Ulo** **Iri Timkom abuo na ise**
Ihe mba China na ebubata bu osisi eji aru ulo di okpu-kpu abuo kariri nde ano sq. km. na okara ime afo 1999 site na mmachi nke ime afo gara aga n'ihi uju ya. Mbubata umu osisi gbaliri uzo ato. Onye oru nche kwa kwuru na odoro anya machi China machiri bawanyere mgbutu osisi eji aru ulo n'etiti obodo ndi agbata obi ya.
*Arborvitae.*

**Onodi Akwukwo Utaba N'isu Ohia Oku** **Otu Nkeji na Tinkom asaa**
Elere anya na nari puku abuo oke ohia na alaa n'iyi kwa afo n'ihi uko akwukwo utaba nke bu percent abuo unwu ala ana enwe wa n'etiti uwa dika ihe omimi nke ebiputara n'akwukwo Tobacco Control siri deeputa. Umu oke ohia ndia metutere obodo ndi na akoputa akwukwo utaba bu nke na etinye mmefu oke ohia na percent ise. Eji umu osisi a akwa utaba tumadi n'etiti obodo ndia na etoolite etoolite n'etiti mba uwa dika ndida Afrika naogbe Middle East, South America ya na Asia. Malite n'ime afo 1990 wee rue 1995 nde iri na otu n'uma ano tonnes, umu osisi ka ejiri kwado nkoputa akwukwo utaba maka mmezi ya.

Ufodi obodo agbaala ndi oru ugbo ume iku umu osisi maka iche-ka ya mana otutu ka ha gburu na oke ohia. Nkwenye ns unwu ala maka ikoo akwukwo utaba emetuleghi ya ma otu ka okwesiri iche aka mgba. Nkea bu nchoputa Helnut Geist.
*Arborvitae.*

**Onu Na Ekwuchitere Otu Green Peace Elebaala Anya N'oru Osisi Eji Aru Ulo** **Otu Nkeji na otuTinkom**

Dokita Patrick More, bu otu onye so wee hiwe oke otu ketara ahu nche-kwa umu ihe umu ihe bu nke akporo Green Peace enwetaala oru ozo n'ime otu a, ka mgbe ahu ona ebe oke akwa. Ugbua o an aruzi na British Columbia Forest Alliance bu njikota aka otu katara ahu n'ahu maka mbo osisi eji aru ulo bu nke na akwadosi ike mgbutu osisi.

Ndu ndibe ya mfe ka mgbe ahu ono ebe ahu. N'umu okwu nke okwuru n'onodi nzuko nso nso a enwere, otuputara amuma etu aga esi aru oru n'ala aturu ya osisi nke Santa Cruz Biotic Banking Brigade metutara owee nweta ya maka ihu onye abuo onwere maka gburu-gburu. N'iwe mere tiri onye nke turu ya osis ma hapy onodu nzuko nzuko ahu n'iwe.

*Agitprop*

**Enwela Ubara Onu Ulo N'etiti Mba Ywa Maka Ndi Ntorobia Na Agboghobia** **Iri Tinkom abuo na isii**

Imatara na Save our Souls [S.O.S] bu onodi ime obodo umu aka malitere nwa obere na mba Austrian n'ime iri afo ise gara aga nwere nkwado Dokita Hermann Gmeiner, ma ugbua otoo la nke nari ato iri asato na ise n'etiti obodo otu nari iri ato na otu nke etiti mba uwa.

*SOS Nigeria.*

**Ihe Achoro-Onodi Ulo Mkporo Di Mma** **Otu Nkeji na Tinkom asato**

Ubara percent ndi ana atu mkporo na Naijiria na alaghachi azu ugboro ano, ise na isii. Akwukwo ndi Annual Abstract of Statistics [AAS] weputere na egosi n'ime mmadu iri aturu mkporo site n'ime afo 1986 wee rue 1990, Opekata mpe ano n'ime ndia, agala mkporo ugboro ano. Enwere otu nari puku iri abuo bu ndi aturu mkporo n'ime afo ndia akporo aha.

N'umu okwu nke Human Rights Group Prisoners Rehabilitation ha na ndi otu Welfare Action [PRAWA] jiri leeba anya n'ime akwukwo nke ndi otu AAS weputere na agbanyeghi afo gara aga o kwesiri iputa, iji maka umu ihe opekata mpe nke otu United Nations weeputere metutere onye mkporo. Ha ji ohere a wee kpokue si ochichi iwelite kwu onodi obibi ndu nkwado enyem aka mgbas aozi oha na eze inabata ndi nke jere mkporo n'etiti ime obodo ya.

*PRAWA.*

**Ala Oke Osimiri Kachasi Metuta N'etiti Mba Uwa** **Iri Tinkom abuo na abuo**

Imatara na oke osimiri Mediterrianean kachasi nwe ala metutere obodo di iche iche n'etiti mba uwa, o di puku nde abuo n'uma square kilometer nke nkeji uwa ato gbara gburu-gburu-Afrika, Europe ya na Asia. Nkea mere ya puo iche n'ihi umu ndu udi obula si nkeji uwa ndia gbaa ya gburu-gburu.

*Arbvitae.*